# AMỤMAMỤ ASỤSỤ, MMATA NA ỤBARA ECHICHE N'OLU ẸZAA

**Nwaoke, Emmanuel Emeka**
Department of Nigerian Languages
School of Linguistics and Nigerian Languages
National Institute for Nigerian Languages (NINLAN), Aba, Abia State
**Email**: nwaokebest@gmail.com

## Ụmị

Mbunuche nchọcha a ịbụ ịtụcha mmata na nghọta echiche okwu ndị nwere ụbara echiche ma marakwa ka aha nnọchi na mbụrụ dị ka ngalaba amụmamụ asụsụ mmata si ebute ụbara echiche okwu n'olu Ẹzaa. Ọchọcha mere nke a site n'ileru anya na mmekọrịta dị n'agbata ụbara echiche, mbụrụ na aha nnọchi. Nchọcha a bụ nke ndịzima; ọchọcha gbasoro atụtụ mmado echiche site n'iji ọwa mmado zipụta ka e si ahụ na ka e si esekasị echiche ndị a. E sitere na nchọpụta e nwetara atụ aro na ọ dị mkpa ka ụbara echiche bụrụ nke ndị nchọcha malitere tụchaba site n'ịgbaso amụmamụ asụsụ mmata. Site na mgbaso amụmamụ asụsụ mmata, nchọcha a zipụtara na ọtụtụ okwu ndị nwere ụbara echiche na-esitekarị na mbụrụ ma ọ bụ aha nnọchi n'ihi na ha na-enwe echiche nkịtị na echiche miri emi. Nke a gosipụtara na aha nnọchi na mbụrụ nwere ụzọ ha si atụnye oke na mwube na mweghari echiche okwu ndị nwere ụbara echiche. Nchọpụta anyị na-egosi na ụbara echiche okwu anaghị adabere naanị n'echiche aka ole na ole okwu na-enye kama ọ na-adabekwara na nchemi echiche okwu ọkachasị ndị sitere n'okwu e ji ewube mbụrụ na aha nnọchi.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Asụsụ mmata, aha nnọchi, Ẹzaa, ụbara echiche, mbụrụ, nzikọrịta ozi.

## Mkpọlite

Ihe niile mmadụ na-eme na ndụ bụ nke chọrọ otu ụzọ nzikorịta ozi ma ọ bụ ọzọ. Nzikọrịta ozi na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya ma na-adabere nke ukwuu na mmekọrịta dị n'etiti ndị sonyere na ya. Ọtụtụ n'ime nzikọrịta ozi na-apụta ihe n'ụdị asụsụ ekwurunọnụ ma ọ bụ nke ederede, ma bụrụkwa ndị a na-atụcha ma ọ bụ na-atụle n'amụmamụ asụsụ na nzikọrịta ozi. Asụsụ dị ka otu n'ime ihe ndị kachasị mkpa na ndụ mmadụ ma bụrụkwa ngwa mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka, ezikọrịta ozi ma na-aghọtakwa onwe ha bụkwa nke chọrọ mwube na mmata nka asụsụ dị iche iche nke na-enyere mmadụ aka isonye nke ọma na mkparịta ụka ma ọ bụ nnweta echiche a tụrụ anya ya na nzikọrịta ozi. Nke a mere asụsụ ji bụrụ ide ji ụlọ mgbe a na-atụle nzikọrịta ozi, ụbụbọ ma ọ bụ mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Mgbe ọ bụla e tinyere asụsụ n'ọrụ, echiche bụ isi sekpụ ntị nye ihe a na-ekwu. Na nzikọrịta ozi, ụbara echiche na-apụta ihe dị ka okwu nwere karịa otu echiche. Nghọta echiche dị iche iche okwu na-enye n'asụsụ bụ nke chọrọ echiche nkịtị ma ọ bụ echiche miri emi. Echiche nkịtị bụ nghọta onye ma asụsụ ahụ na-esite na njirimara a ma ama okwu na-ezipụta n'ụbụbọ ewube ebe echiche miri emi bụ ndị a na-esite nchemi echiche ma ọ bụ ahụmihe were wube.

Ụbara echiche bụ otu n'ime agwara asụsụ ndị na-apụta ihe na nzikọrịta ozi n'asụsụ mba ụwa; e ji ya akọwa ọnọdụ ebe otu okwu nwere ike inye karịa otu echiche. E nwekwara ọtụtụ nchọcha e merela banyere ụbara echiche n'asụsụ Igbo mana e nwebeghi nke gbara mbọ ịtụchapụta ya na nzikọrịta ozi n'olu Ẹzaa site n'ileru ya anya n'alaka amụmamụ asụsụ mmata n'agbanyeghi na Cuyckens na Zawada (2001) dere na Nerlich na Clarke (1997) si na ụbara echiche bụ ihe e ji akọwa ogogo ihe nọ n'ihi na a na-eji ya akọwa echiche okwu ndị nwere myiri. Ha kwuru na tupu otu

mkpụrụ okwu enwee ụbara echiche, a ga-enweriri otu echiche okwu ahụ na-egosi na mbụ tupu e si na nke ahụ nyewe ya echiche ndị ọzọ. Nkwenye nke a so n'ihe ọchọcha chọrọ ịchọpụta site n'ịmata ma e nwere mmekọrịta dị n'etiti echiche nkịtị na echiche miri emi okwu nwere ụbara echiche na-enye ọkachasị ka o si metụta okwu ndị ahụ ndị pụrụ ịrụ ọrụ mbụrụ ma ọ bụ nke aha nnọchi n'ọnọdụ dị iche iche. Ọ bụ nke a ka nchọcha a gbara mbọ mee. Nchọcha a tụchara mmekọrịta dị n'agbata ụbara echiche na, mbụrụ na aha nnọchi site n'ịtụcha ọwa mmado ndị e ji ahụta ma na-esekasị echiche ndị a.

**Ntụleghari̩ agụmagụ**

Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na ọtụtụ ndị nchọcha hụtara asụsụ dị ka usoro nzikọrịta ozi nke nwere usoro na akara ndepụta, nke a na-akpọpụta akpọpụta ma na-ezipụta ebumnuche e ji ezikọrịta ozi. Ha gakwara n'ihu kwuo na ndị na-asụ otu asụsụ nwere ike iji akara na mmegharị ahụ dị iche iche zikọrịta ozi. Ha mekwara ka a mara (ihu 30) na amụmamụ asụsụ bụ nke gbadoro ụkwụ na ngalaba ise ndị gụnyere: amụmamụ ụda, amụmamụ mkpụrụ ụda asụsụ, amụmamụ mmebe okwu, usoro okwu na amụmamụ echiche. Amụmamụ asụsụ na-arụtụkwa aka na ngalaba dị ka asụsụ na obodo, nsụnụbụrụ, sayensị akụkọ asụsụ, amụmamụ asụsụ ndịnọrụ dg. Dị ka otu n'ime ngalaba amụmamụ asụsụ, amụmamụ echiche bụ nke na-ezipụta echiche mkpụrụ okwu, echiche nkeji ahịrị, echiche ahịrị okwu, echiche ọgbara okwu na echiche ụbụbọ dị iche iche.

Ndimele (1997) kwuru na ihe ọmụmụ gbasara echiche malitere na gboo, n'oge Aristotle na Plato mana amụmamụ echiche pụtara ihe dị ka ihe ọmụmụ malite na puku afọ abụọ a mụsịrị Kristi (2000 A.K.). Ọ gakwara n'ihu mee ka a mara na echiche bụ ide nzikọrịta ozi. Ya mere o ji dị oke mkpa na amụmamụ echiche bụ ihe e lebara anya nke ọma. Lobner (2002) hụtara amụmamụ echiche dị ka ihe ọmụmụ nke a na-amụ na ngalaba amụmamụ asụsụ nke na-ezipụta echiche dị iche iche n'arụmarụ ụka. Ndimele (2005, p.2) kọwara echiche dị ka ihe e nwere ike ịhụta n'ụdị dị iche iche n'ihi na echiche mkpụrụ okwu ma ọ bụ ọgbara okwu nwere ike ịpụta ihe dị iche n'ebe okwuu na ọnụụ nọ.

A na-enwe mgbagwoju anya echiche okwu mgbe mkpụrụ okwu ma ọ bụ ọgbara okwu nwere karịa otu echiche. E nwere ụzọ abụọ mgbagwo si apụta ihe: site na mkpụrụ okwu ma ọ bụ ndokọ okwu. Mgbagwo mkpụrụ okwu bụ nke na-emetụta echiche otu mkpụrụ okwu ebe mgbagwo ndokọ okwu bụ nke na-ezipụta karịa otu echiche nye otu ahịrị okwu ma ọ bụ usoro okwu dị iche iche. Ọ bụrụ na e nwere mgbagwo n'ahịrị okwu, nke pụtara ihe n'ihi otu mkpụrụ okwu nwere karịa otu echiche, a mara na ya bụ mkpụrụ okwu bụ nke nwere ụbara echiche. Nwala (2004) hụtara ụbara echiche dị ka atụtụ amụmamụ echiche nke na-eleba anya n'ọnọdụ nke a na-ahụta mgbe otu mkpụrụ okwu nwere ọtụtụ echiche. Ọ gakwara n'ihu kwuo na mkpụrụ okwu dị etu ahụ bụ nke na-ebute mgbagwo. Blank (1999) dere na ebe mbụ a hụtara ụbara echiche dị ka alaka amụmamụ echiche asụsụ bụ n'ederede nke Michel Breal. Ọ kọwara ụbara echiche dị ka ihe na-arụtụ aka nye mkpụrụ okwu ọ bụla nwere karịa otu echiche. Crystal (1980) kwuru na a bịa n'amụmamụ asụsụ, a na-eji ụbara echiche akọwa mkpụrụ okwu ọ bụla nwere ike ịpụta ihe dị iche iche. Agbedo (2015) kọwara ụbara echiche dị ka otu mkpụrụ okwu nwere ọtụtụ echiche.

Fillmore na Atkinson (1992) dere na ụbara echiche anaghị agbakwasa ụkwụ n'echiche dị iche iche okwu dị iche iche nwere ike inwe ma a hazigharịa ha n'ọgbara okwu ụtọ asụsụ; kama ịmata echiche mkpụrụ okwu bụ ịmata ebumnuche nke e ji maka ya were kwuo ya bụ okwu. Nke a metụtara

nchọcha a nke ọma n'ihi na atụtụ njirime e ji eme nchọcha a na-ekwu na nghọta okwu ọ bụla gbadoro ụkwụ n'etu ndị obodo nwe ya si were okwu ahụ na-arụ ọrụ n'ọgbara okwu dị iche iche. Ọ bụghị na nhazigharị okwu ndị mebere ụtọ asụsụ olu Ẹzaa ka nchọcha a na-eleba anya, kama ọ bụ ịtụlekọrịta mmekọrịta ụbara echiche na ngalaba amụmamụ asụsụ mmata nwere na nzikọrịta ozi n'olu Ẹzaa nke Steti Ẹbọnyị. Nke a mere echiche mbụrụ na aha nnnọchi dị iche iche ndị na-ebute ụbara echiche n'olu ndị Ẹzaa ga-eji bụrụ ezigbo ihe ntụcha nye nchọcha a.

Ullmann (1957) n'aka nke ya kọwara ụbara echiche dị ka mkpụrụ okwu nwere karịa otu echiche ebe Ghazala (1995) kwadoro ya mgbe ọ kọwara ụbara echiche dị ka ọnọdụ a na-ahụta mgbe otu mkpụrụ okwu bịara nwee karịa otu echiche e ji mara ya kpọm kwem. Saeed (2016) kwenyere na ihe ha kwuru mgbe o dere si na ụbara echiche bụ mgbe mkpụrụ okwu nwere ụdịdị echiche dị iche iche pụtara ihe. Na nghọta nke Palmer (1976), ọ bụghị naanị na mkpụrụ okwu dị iche iche na-enwe echiche dị iche iche kama otu mkpụrụ okwu na-enwe karịa otu echiche; ọ bụ ọnọdụ dị etu ahụ ka a na-akpọ ụbara echiche. Baldinger (1980) hụtara ụbara echiche dị ka nke na-apụta ihe mgbe otu mkpụrụ okwu na-enye karịa otu echiche nhụrụ n'uche. Nkọwa ya bara uru nye nchọcha a n'ihi na ọ na-egosi na echiche okwu nwere ụbara echiche bụkwa nke chọrọ echiche miri emi nke bụ isi sekpụ ntị nye ọrụ amụmamụ asụsụ mmata. Al-Munjid (1999) kwuru na ụbara echiche bụ agwara asụsụ nke a na-ahụta n'asụsụ niile zuru oke. Ọ hụtara ụbara echiche dị ka ọnọdụ ebe otu mkpụrụ okwu nwere ọtụtụ echiche. Ihe ndị a niile ha kwuru na-arụtụ aka n'otu ihe: na mgbe ọ bụla mkpụrụ okwu nwere echiche abụọ ma ọ bụ karịa, ihe ọ pụtara bụ na mkpụrụ okwu ahụ bụ nke nwere ụbara echiche. Ọzọ bụ na ụbara echiche na-eme ka nghọta a na-enweta dị iche iche. Ọ bụ nke a mere ihe ndị a ha kwuru jiri bụrụ ndị na-arụtụ aka n'isi okwu nchọcha a.

Fellbaum (2000) kwuru na ụbara echiche bụ nke dị ire ebe otu mkpụrụ okwu nwere ike inwe echiche dị iche iche n'ebe dị iche iche. Croft na Cruse (2004) mere ka a mara na ụbara echiche bụ nke a na-ahụta na mkpụrụ okwu ndị nwere otu usoro odide ndị nwere echiche abụọ ma ọ bụ karịa. Kovacs (2011) kwuru na mkpụrụ okwu nwere ụbara echiche bụ nke echiche ya nwere ike karịa otu n'ihi na o nwere mbụrụ ma ọ bụ aha nnọchi. Nke a nwere ezi mmetụta nye nchọcha a n'ihi na ọchọcha nwere mmasị ịchọpụta ụzọ mbụrụ na aha nnnọchi dị iche iche si ebute ụbara echiche n'olu ndị Ẹzaa maka mmata na nghọta echiche ha. Mbah na Mbah (2014) sịrị na ịtụle nghọta ma ọ bụ mpụtara mkpụrụ okwu ma ọ bụ ahịrị okwu dị iche iche, e nwegasịrị n'usoro okwu, bụ nke a na-amụ n'alaka amụmamụ asụsụ nke a ma dị ka amụmamụ echiche. Ha gara n'ihu kwuo na ịkapị mpụtara amụmamụ echiche ọnụ na-enye nsogbu n'ihi na e nwere mpụtara ma ọ bụ echiche dị iche iche okwu na-enwe n'ọnọdụ dị iche iche. Ka o sila dị, echiche okwu ọ bụla na-ezipụta na-adabere n'ọnọdụ a nọ kwuo ya, omenala na ahụmihe okwuu na ọnụụ. Ya mere amụmamụ asụsụ ji adaberekwa na nghọta sitere na nchemi echiche na agụmagụ ọdịnala ma ọ bụ nke ederede. Ọ na-apụtakwa ihe n'amụmamụ asụsụ mmata.

Amụmamụ asụsụ mmata bụ usoro amụmamụ asụsụ nke na-eleba anya n'ụzọ e si atụcha ma na-aghọta mmekọrịta dị n'agbata asụsụ na nghọta nsinụbụrụ. A bịa n'amụmamụ asụsụ mmata, a na-ahụta mbụrụ na aha nnọchi dị ka alaka amụmamụ abụọ mere e ji nwee ihe a maa ta a dị ka amụmamụ echiche mmata. Barcelona (2000) mere ka a mata na ọtụtụ nchọcha e merela n'amụmamụ asụsụ mmata gbara mbọ izipụta myiri na ndịiche dị n'etiti aha nnọchi na mbụrụ dị ka ngalaba amụmamụ asụsụ mmata. Lemmens (2015) sị na ọ bụ ezie na amụmamụ echiche mmata abụrụla ihe a na-amụ n'amụmamụ asụsụ mana mgbe ọ bụla a kpọrọ amụmamụ echiche mmata aha,

na ọ na-eme ka alaka amụmamụ echiche abụ dịịrị onwe ya na nke mere ndị mmadụ ga-eji eche na e nwere amụmamụ mmebe okwu mmata na amụmamụ usoro okwu mmata. Etu o sila dị, alaka amụmamụ asụsụ niile dị mkpa mgbe a na-atụcha ụtọ asụsụ mmata na echiche okwu malite na nke pekarịsịrị ruo na nke kacha dị ukwu. Nke a bụ maka na amụmamụ asụsụ mmata na-emetụta ụtọ asụsụ mmata na nchenọgwa.

Mbah na ndị ọzọ (2013:59-62) kọwara nchenọgwa dị ka ngalaba ihe ọmụmụ na-esite n'ihe ọmụmụ asụsụ, amụmamụ ụbụrụ, uche na nchepụta, tụlee ma nyochaa nghọta ebe ụtọ asụsụ mmata bụ "usoro nnyocha ọmụ-nghọta na-enyocha ihe na-eme n'ụbụrụ na ịsụ asụsụ". Nkọwa ha gosiri na amụmamụ asụsụ mmata na-eleba anya kpọm kwem n'echiche, nchepụta echiche na nchenọgwa. Nke a bụ maka na echiche bụ otu ihe na-emetụta ihe ndị ọzọ niile n'amụmamụ asụsụ. Fu (2012) kwenyekwara na nke a mgbe o kwuru na echiche bụ nsere sitere n'okwu nke na-anabata nkeji asụsụ dị iche iche ịhụ na echiche okwu ọ bụla pụtara ihe etu o kwesiri. Ọ bụ echiche okwu na-enye ma ọ bụ ọrụ okwu na-arụ inyere okwu ndị ọzọ aka izipụta echiche bụ uru okwu ahụ bara n'asụsụ. Ọ gara n'ihu kwuo na nchọcha e merela na mbụ banyere nsiritolite amụmamụ echiche, amụmamụ echiche mmata na nchịkọta okwu dị iche iche egosila na mkpụrụ okwu nwere ike inwe echiche dị iche iche n'ọnọdụ dị iche iche. Ọ bụ ụdị ọnọdụ a kpalitere ọchọcha ịbagide na nchọcha a nke mbunuche ya bụ ịtụcha etu e si amata ma na-aghọta echiche okwu ndị nwere ụbara echiche ma marakwa ka aha nnọchi na mbụrụ dị ka ngalaba amụmamụ asụsụ mmata si ebute ụbara echiche okwu.

**Usoro nchọcha**

Nchọcha a bụ nke ndịzima; ọ dịịrị ọchọcha mfe isi n'olu Ẹzaa sere ma tụchaa njatụle e ji mee nchọcha a n'ihi na ọ bụ nwa afọ Ẹzaa ma bụrụkwa onye nwere ohere isere njatụle ndị dabara adaba na nchọcha a. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ mmado echiche. Ọchọcha ji ọwa mmado zipụta ụdị mmado pụtara ihe n'atụ ọ bụla. Johnson (1987) sịrị na ọ̀wa mmado bụ nke nwere ụmụ mpaghara dị iche iche ndị nwere usoro mmekọrịta nkịtị. Johnson (1987, p. 126) depụtara ụdị ọ̀wa mmado dị iche iche ndị gụnyere: igbe; nnọkwata; mmanye; mgbochi; ike mmegide; mwepụ mgbochi; nnwemike; ndọta; ngụm ọnụ igwe; ọwa; njikọ; etiti-mpụta; okirikiri; nso-anya; ǹtụ̀/ọnụ ọgụgụ; alaka-ogwe; mmakọ; nkewa; ojuju-efu; nha; nnọnelu; ekwumekwu; mmekọrịta; usoro; elu; ihe; mwekọta. Ebe nchọcha a na-atụle amụmamụ asụsụ, mmata na nghọta okwu ndị nwere ụbara echiche, atụtụ a dabara adaba maka na echiche okwu ndị a na-enye na-adabere n'ọwa mmado a gbasoro zipụta mmata na nsekasị echiche ha.

**Mmata na nghọta ụbara echiche n'olu Ẹzaa**

Mmata na nghọta okwu nwere ụbara echiche bụ nke tụrụ anya na ndị mmadụ ga-amata agwara okwu ahụ maka na ọ bụ agwara okwu bụ isi sekpụ ntị nye nghọta okwu ahụ na-enye n'ọnọdụ dị iche iche. Agwara okwu nwere na-emetụta ụda, mmebe, usoro na echiche okwu. Nke a gosiri na ụbara echiche dị ka ngalaba mmekọrịta echiche nwekwara ụzọ o si esite n'agwara okwu nwere ezipụta echiche dị iche iche.

Ụbara echiche n'onwe ya bụ ọnọdụ a na-ahụta n'amụmamụ echiche mgbe otu mkpụrụ okwu nwere karịa otu echiche. Ọ dị mkpa ka a mata na echiche dị iche iche mkpụrụ okwu nwere ụbara echiche na-ezipụta na-enwe myiri. Nke a mere Ndịmele (1999) jiri dee sị na echiche niile mkpụrụ okwu nwere ụbara echiche na-ezipụta na-amalite n'echiche mbụ okwu ahụ nwere. A bịa na mkpụrụ okwu

nwere ụbara echiche, otu echiche bụ isi echiche ya ebe echiche ndị ọzọ na-esi n'isi echiche ahụ nweta echiche nke ha.

A bịa n'olu Ẹzaa, aha nnọchi na mbụrụ na-abụ okwu ndị nọ na nkeji asụsụ mkpọ aha; ọ bụkwa n'otu nkeji asụsụ a ka a na-enwekarị mkpụrụ okwu ndị nwere ụbara echiche, ọ bụ ya mere ọchọcha ji lebaa anya na mkpọ aha ndị nwere ụbara echiche ma zipụta ha n'igbe.

**Tebul 1: Mkpọ aha ndị nwere ụbara echiche n'olu Ẹzaa**

| | Nkeji asụsụ mkpọ aha | Echiche dị iche iche ha na-ezipụta |
|---|---|---|
| 1. | ẹ́nya | anya e ji ahụ ụzọ |
| | | ebe mkpụrụ si epute |
| | | ebe a na-etinye owu na ntụtụ e ji-adụ akwa |
| | | ebe a na-awụnye ihe nchụ aja nye arụsi |
| 2. | íhwu | ihu mmadụ |
| | | ihu akwa |
| | | ihu mmanụ |
| | | ebe mmalite |
| 3. | ọ́bvụ̀ | ọ́gwụ̀ e ji agwọ ọrịa |
| | | ọ́gwụ̀ a na-achụrụ aja |
| | | ọ́gwụ̀ mgbochi ọrịa |
| 4. | ǹgám̀gbo | ebe egwuregwu |
| | | Ama |
| | | ebe nchụ aja nye arụsi obodo |
| 5. | úbvù | ọkara ihe |
| | | oriri a na-eme igosi na nwoke/nwa anyị eruela ihe e ji mmadụ eme |
| | | ibe ugwu |
| 6. | ẹ́kwọ | akwụkwọ ọgụgụ |
| | | ụlọ akwụkwọ |
| | | akwụkwọ osisi/nri (ẹba) |
| 7. | ẹ́ka | aka mmadụ |
| | | ebe njide aka |
| | | ịkụ aka |
| 8. | ẹ́kpị̀rị | akpịrị |
| | | onye na-asa ụsa |
| 9. | ẹ̀kwá | Akwa |
| | | ihe /mmadụ mara mma |
| | | ihe /mmadụ na-esighi ike |
| 10. | ´ụgbọ | ´ụgbọ e ji egbu azụ |
| | | ´ụgbọ mmiri |
| | | ´ụgbọ oloko |
| | | ´ụgbọ elu |

Mkpọ aha bụ otu n'ime nkeji asụsụ Igbo nke e ji aba ihe aha; ọ bụ ya ka e ji arụtụ aka nye mkpụrụ okwu ọ bụla na-arụ ọrụ dị ka omee ma ọ bụ nnara n'ahịrị okwu. Na ntụle mmata na nghọta ụbara echiche n'usoro amụmamụ asụsụ mmata n'olu Ẹzaa, ọ bụ mmekọrịta okwu nwere ụbara echiche na mbụrụ ma ọ bụ aha nnọchi nwere dị ka isi sekpụ ntị nye amụmamụ asụsụ mmata ka a na-atụle.

*Ẹ́nya* (1) sitere na ọwa mmado nnwemike. *Ẹ́nya* bụ okwu ụbara echiche ya na-enye ohere iwube mbụrụ ma ọ bụ aha nnọchi maka nnwemike ọ na-ezipụta n'echiche okwu ndị ọ na-ahazikọ. Ọ bụrụ na a sị na mmadụ bụ "anya ezi na ụlọ ya ji ahụ ụzọ", ọ pụtara na "anya" ebe a bụ aha nnọchi nke e sitere na mmekọrịta echiche anya nwere n'ahụ mmadụ na ọnọdụ ọrụ onye a na-ekwu maka ya na-arụ n'ezi na ụlọ ya wube. N'aka nke ọzọ, anya nwekwara ike ịpụta ihe ndị ọzọ dị ka ebe mkpụrụ si epute, ebe a na-etinye owu na ntụtụ e ji adụ akwa nakwa ebe a na-awụnye ihe nchụ aja nye arụsi ndị nke nwekwara ike ịrụ ọrụ mbụrụ n'ihi na ha na-ezipụta myiri n'otu ma na-ezipụta mmekọrịta echiche n'aka nke ọzọ n'ihi na ọ bụ etu ahụ anya si dị mkpa n'ahụ mmadụ ma ọ bụ anụmanụ bụkwa ka anya ndị a kpọrọ aha n'elu si dị mkpa n'ihe a na-ekwu maka ha. O doro anya na mkpụrụ na-enweghi anya agaghị epuli; ntụtụ na-enweghi anya agaghị adụlị akwa. Ọ bụ nnwemike a ọ na-ezipụta bụ ebe mgbado ụkwụ nye mwube ụbara echiche okwu a na-enye.

*Íhwu* (2) dị ka okwu nwere ụbara echiche nwere ike ịpụta ihu mmadụ, ihu akwa, ihu mmanụ ma ọ bụ ebe mmalite. Ọ bụ ọwa mmado ndọta ka e ji ekekọ echiche niile ihu na-ezipụta n'okwu nke mere o ji apụta ihe dị ka okwu nwere ọtụtụ echiche. *Ihu* pụtara ihe n'okwu ndị a niile a kpọrọ aha bụ ebe ndị kacha adọta nleru anya, uche na mmasị ndị mmadụ. Echiche ndị *ihu* na-ezipụta dị ka ụbara echiche bụ nke nwere ike ịpụta ihe dị ka aha nnọchi ma ọ bụ mbụrụ na "Ihu dị mma adịghị mma ịtụ mbọ" na "Ihu ọma juru eju bara abara" ebe "Ihu dị mma" pụrụ ịbụ aha nnọchi nye mmadụ ma ọ bụ ihe ọzọ a na-ekwu maka ya. "Ihu ọma" n'akụkụ nke ya pụrụ ịrụ ọrụ mbụrụ maka myiri dị n'agbata onye/ihe a na-ekwu maka ya na okwu a nwere. Nghọta echiche okwu ndị a na-ezipụta bụkwa nke chọrọ echiche miri emi, ahụmihe nakwa echiche nsinọnọdụ.

Ọ bụ ọwa mmado ike mmegide ka e ji amado echiche niile *ọ́bvụ̀* (3), nke bụ ọgwụ n'Igbo Izugbe, na-ezipụta. Nke a bụ maka na ọgwụ niile bụ nke e ji emegide ọrịa ma ọ bụ ike ndị ọzọ dị iche iche. O nwere ike ịbụ ọ́gwụ̀ e ji agwọ ọrịa, ọ́gwụ̀ a na-achụrụ aja ma ọ bụ ọ́gwụ̀ mgbochi ọrịa. Nke ọ bụla n'ime ha nwere etu e si eji ya emegide ọrịa, ike ma ọ bụ mkpagbu nke mere mmekọrịta na myiri echiche ha ji bụrụ mgbakwasị nye mwube ụbara echiche okwu a na-enye. Nghọta echiche okwu a na-adabere na nchemi echiche, ahụmihe, mmata asụsụ nakwa nghọta a na-esite n'usoro okwu ọ dị n'ime ya enweta. Ọgwụ a na-aǹụ aǹụ bụ nke e ji agwọ ọrịa na nke e ji egbochi ọrịa ebe nke a na-agwọ agwọ bụ nke a na-achụrụ aja. E nwekwara ike iji *ọgwụ* wube aha nnọchi dị ka nkwenye agbụrụ si dị. Otu n'ime ha bụ *Nwaọbvụ;* ya bụ *Nwaọgwụ*. Ọ bụ aha aka a na-enye onye a mụrụ n'òkwu arụsị.

*Ǹgáḿgbò* (4) n'aka nke ya nwere ike ịpụta ebe egwuregwu, ama ma ọ bụ ebe nchụ aja nye arụsi obodo n'olu Ẹzaa. Ọ bụ ọwa mmado ndọta ka e ji ahazi myiri na mmekọrịta echiche okwu a na-ezipụta dị ka ụbara echiche. Ụbara echiche ọ na-enye na-adabere na nnwekọ ọnụ obodo na-enwekọ ebe nọ n'ụdị ọnọdụ a ebe ndọta ya na-esite na ka ebe ahụ si abụ ebe ọgbakọ nye ndị nwe ya nakwa ndị ọbịa. A na-esitekwa n'okwu a ewube aha nnọchi ndị na-arụ ọrụ aha aka n'olu Ẹzaa dị ka *Nwangamgbo.* E jikwa ya ewube aha nnọchi nye ebe a na-eli ụmụ aka nwụchuru anwụchu nke a ma dị ka *ngamgbo ụnwụ ẹgịrịma.* Etu o sila dị, ngamgbo anaghị apụtacha ihe dị ka mbụrụ n'ihi na e nweghị ọtụtụ ihe ọchọcha hụrụ ọ pụrụ ịnọchị anya ya site na myiri okwu.

Echiche *úbvù* (5) sitere n'ọwa mmado echiche usoro. Tupu a sị na ihe zuru oke ma ọ bụ tozuo oke, a ga-enwe usoro a ma ama e si eme ma ọ bụ ahazi ihe ahụ. *Úbvù* bụ ụbara echiche nwere ike ịpụta ọkara ihe, emume/oriri ntozu oke ndị ntorobịa ma ọ bụ emume ibe ugwu. Ọ bụ site n'usoro nhazi metụtara ihe a na-ekwu maka ya ka a na-agbaso ewube echiche okwu a na-enye. Dị ka okwu nwere ụbara echiche ma na-arụkwa ọrụ aha nnọchi, ọ chọghị echiche miri emi maka nghọta ya n'ihi na *úbvù/úgwù* ihe ọ bụla bụ nke a ma dị ka ọkara ya. Mgbe e bere mmadụ *úgwù*, a na-ebepụkwa akụkụ ahụ ya nke mere o ji abụ ụfọdụ ya na-afọdụ. Echiche ikpe azụ ya bụ nke sitere na nkwenye agbụrụ. Ọ bụ echiche sitere na nkwenye agbụrụ bụ nke nwere ike ịrụ ọrụ dị ka aha nnọchi n'ihi na ọ bụ aha e nyere emume ndị ntorobịa ji abanye n'ọgbọ ntozuoke maka ịbanye n'alụmalụ. Ọ bụ ohere ha ji esite n'ogo ọkara/ úgwù mmadụ banye n'ọgbọ ndị tozuru oke n'ihe e ji mmadụ eme n'obodo. Nkọwa ndị a gosiri na ụbara echiche okwu a nwere bụ nke sitere na mmekọrịta na myiri echiche nke gosiri na ọ bụ site na nchemi echiche na ahụmihe ka mmadụ pụrụ isi ghọta echiche ya dị ka o si dị n'amụmamụ asụsụ mmata.

Atụ 6, *ẹ́kwọ*, pụtara akwụkwọ ọgụgụ, ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ akwụkwọ osisi/nri (*ẹ́ba*). E nwere ike itinye nke a n'ahịrị okwu dị ka *o jeru ẹkwọ, ọ marụ ẹkwọ* na *o teru ohwe ẹkwọ* ndị pụtara o jere akwụkwọ, ọ mara akwụkwọ na o tere ofe akwụkwọ nrị n'otu n'otu. Echiche ndị *ẹkwọ* (akwụkwọ) na-ezipụta sitere na myiri na mmekọrịta echiche; nke a mere o ji pụta ihe n'ụdị mbụrụ ma ọ bụ aha nnọchi ndị e ji ọwa mmado mmekọrịta wube. *Ẹkwọ* pụtara akwụkwọ ọgụgụ nke echiche ọzọ ọ pụrụ inye bụ mkpọ akwụkwọ maka myiri ha abụọ nwere. O nwekwara ike ịpụta ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ agụm akwụkwọ maka mmekọrịta echiche nke akwụkwọ na okwu ndị a nwere. E jikwa ya akọwa akwụkwọ nri n'ọnọdụ ụfọdụ ọkachasị mgbe a na-egosi na akwụkwọ nri kariri ngwa nri ndị ọzọ dị na nri a na-ekwu maka ya. Nke a gosikwara na nghọta ụbara echiche okwu a na-adabere na nchemi echiche na nkwenye agbụrụ na omenala.

N'aka nke ọzọ, echiche *ẹ́ka* (7) nke bụ áka n'Igbo Izugbe sitekwara n'ọwa mmado mmekọrịta. *Ẹ́ka* pụtara aka mmadụ/anụmanụ, ebe njide aka na ịkụ aka. Aka mmadụ ma ọ bụ aka ihe ọ bụla dị ndụ bụ ebe mgbado ụkwụ e sitere hibe echiche mbụ okwu a na-enye; ebe njide aka na ịkụ aka bụ ndị dabere n'echiche mbụ okwu a na-enye n'ihi mmekọrịta ihe/emereme ahụ na aka mmadụ/anụmanụ nwere. Etu o sila dị, *aka* bụ aha nnọchi nke e ji edochi anya ịkụ aka ma ọ bụ ebe njide aka dị ka (aka anyịnya igwe); nke a na-egosipụta na mwube echiche ya na-adabere na mmekọrịta echiche dị n'agbata emereme ịkụ aka na nke ebe a na-ejide aka. Nghọta echiche ya bụkwa nke chọrọ nchemi echiche n'ihi na nghọta echiche ya na-esite n'ọnọdụ ebe a nọ kwuo okwu.

*Ẹ́kpị̀rị* (8) nke bụ akpịrị n'Igbo Izugbe bụ okwu nwere ụbara echiche n'ihi na o nwere karịa otu echiche ọ na-ezipụta. Echiche atụ (8) na-adabere n'ọwa mmado ndọta. *Ẹ́kpị̀rị* nwere ike ịpụta akpịrị nke a na-ahụ n'olu mmadụ (ma ọ bụ anụmanụ) ma nwekwaa ike ịbụ onye na-asa ụsa. Ọ bụ agụụ ịhụ na ihe a hụrụ ma ọ bụ nke a nụrụ ísì ya sitere n'ọnụ ganye n'akpịrị bụ ike ndọta nye ọwa echiche e ji amado echiche nke abụọ okwu a na-enye. Mgbe e ji akpịrị akọwa onye na-asa ụsa, ọ bụ mbụrụ ka a na-akpọlite n'ọrụ n'ihi na ọ bụ myiri agwa akpịrị nke bụ ụzọ ihe oriri na ọṅụṅụ dị iche iche si aba n'afọ nakwa myiri agwa onye na-enwe mmasị iri ma ọ bụ ṅụọ ihe oriri na ọṅụṅụ ọ bụla anya hụrụ ka a na-agbaso ewube ụbara echiche a na (8). Ọ bụkwa ụzọ e si egosi na amụmamụ asụsụ mmata na-apụta ihe na mwube ụbara echiche site n'iji mbụrụ zipụta echiche miri emi okwu nwere.

E ji ọwa mmado nha akọwa *ẹ̀kwá* (9), nke bụ *akwa* n'Igbo Izugbe, maka mmekọrịta na myiri echiche *akwa* na okwu ndị ọzọ ọ na-arụgara aka nwere. Ọ bụ agwara nhatanha dị n'agbata ihe abụọ ahụ, okwu nsiriwube na nke mbunuche, bụ isi sekpụ ntị nye mmado echiche ha. *Ẹ̀kwá* bụ àkwá n'Igbo Izugbe; echiche ndị ọzọ ọ na-ezipụta gụnyere ihe /mmadụ mara mma ma ọ bụ ihe/onye na-esighị ike. Ụbara echiche okwu a na-enye n'ọnọdụ dị iche iche bụ ndị sitere na mmekọrịta echiche njirimara si n'agwa nke *àkwá* na onye/ihe a na-ekwu maka ya nwekọrọ ọnụ. Nke a gosiri na aha nnọchi dị ka alaka amụmamụ asụsụ mmata nke na-atụcha mmado echiche ndịnime dị ka mmekọrịta echiche njirimara/agwa bụkwa nke na-atụnye oke na mmata na nghọta echiche okwu ndị nwere ụbara echiche. Nke a na-egosikwa na ọnọdụ a nọ kwuo okwu bara uru nye echiche okwu a na-ezipụta maka onye a kpọrọ akwa n'olu Ẹzaa nwere ike bụrụ onye mara mma ma ọ bụ onye na-esighi ike.

Atụ 10, *úgbọ* bụ okwu ọzọ nwere ụbara echiche; ọwa mmado echiche ya bụ ọwa mmado njikọ. Echiche ndị ọ na-enye gụnyere ụ́gbọ e ji egbu azụ, ụ́gbọ mmiri, ụ́gbọ oloko, ụ́gbọ elu na ụ́gbọ ala. Mana ihe jikọrọ okwu ndị a niile bụ na ha na-akọwa ihe e ji ebupu/ewepụ mmadụ/ihe site n'otu ebe gaa ebe ọzọ. Etu o sila dị, echiche okwu ndị a na-enye bụcha ndị na-achọghị oke echiche miri emi maka na onye ọ bụla mara asụsụ Igbo nke ọma ga-esite na nkọwa aha ejikọrọ ya na okwu ndị a nakwa ọnọdụ a nọ n'ime ya ghọta echiche ihe a na-ekwu n'etufughi oge ọ bụla n'agbanyeghị na e nwere mmekọrịta echiche dị n'etiti okwu ndị a. Ụgbọ bụ ihe na-esite n'otu ebe ma ọ bụ ọnọdụ bufee mmadụ ma ọ bụ ihe jee ebe ma ọ bụ ọnọdụ ọzọ. A na-ejikwa ụgbọ dị ka mbụrụ nke e ji akọwa onye anaghị anọ otu ebe n'olu Ẹzaa. Nkọwa ndị a gosiri na ụbara echiche na-enwe otu ụzọ ma ọ bụ ọzọ o si emetụta mwube mbụrụ ma ọ bụ aha nnọchi.

**Nchịkọta na Mmechi**

Nchọcha a zipụtara uru ọ bara ịtụcha ụbara echiche n'usoro amụmamụ asụsụ mmata. Nchọpụta anyị zipụtara na ụbara echiche na-esite na nchemi echiche ewube echiche ọhụrụ nke mere o ji abụ ndị mara asụsụ ahụ nke ọma na-aghọta echiche nkịtị na echiche miri emi okwu nwere ụbara echiche na-enye na nzikọrịta ozi. Ya mere nchọcha a ji bụrụ ụzọ dị mma ọchọcha ji zipụta ụzọ ọzọ a pụrụ isi ghọta echiche okwu na-enye ụbara echiche ọkachasị ka o si emetụta amụma echiche na amụmamụ asụsụ mmata. Nchọcha a tụchara mmekọrịta dị n'agbata ụbara echiche na, mbụrụ na aha nnọchi (ndị bụ isi sekpụ ntị nye amụmamụ asụsụ mmata) site n'ịgbaso atụtụ mmado echiche. Ọrụ a na-ekwu na ụbara echiche bụ nke e nwere ike ịtụcha site n'ịgbaso usoro amụmamụ asụsụ mmata maka mmekọrịta echiche ụbara echiche na, mbụrụ na aha nnọchi nwere n'iwube echiche okwu na nzikọrịta ozi/ụbụbọ n'olu Ẹzaa. Ọ bụkwa ọkpụkpọ oku ime nchọcha pụtara ihe n'isi okwu ndị yiri nke a n'asụsụ nakwa n'olu ndị ọzọ.

**Nrụmaka**


Agbedo, C. U. (2015). *General linguistics: Historical and contemporary perspectives.* Nsukka: KUMCEE-Ntaeshe Press Inc.

Al-Munjid, M. N. (1999). *Al-Ishtirak al-Lafzi fi al-Qur'än al-karïm bayna al-Nazariyah wa-al-Tatbïq*. Damascus: Där Al-Fikr.

Anagbogu, P. N., Mbah, B. M., & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics.* Awka: J.F.C. Ltd.

Baldinger, K. (1980). *Semantic theory, towards a modem semantics*. Oxford: Basil Blackwell Ltd.

Barcelona, A. (2000). On the plausibility of claiming a metonymic motivation for conceptual metaphor. Na A. Barcelona (Ọhz.). *Metaphor and metonymy at the crossroads: A cognitive perspective* (ihu 31–58). Berlin: Mouton de Gruyter.

Blank, A. (1999). *Polysemy in the lexicon*. New York: Oxford University Press.

Croft, W., & Cruse, D. A. (2004). *Cognitive linguistics.* New York: Cambridge University Press.

Crystal, D. (1980). *A first dictionary of linguistics and phonetics*. Oxford: Basil Blackwell Limited.

Fellbaum, C. D. (2000). Autotroponymy na Ravin, Y. & Leacock, C. (ohz.) *Ploysemy: theoretical and computational approaches,* (pp. 52-67). New York, Oxford University Press Inc

Fillmore, C. J., & Atkins, B. T. (1992). Towards a frame-based organization of the lexicon: The semantics of risk and its neighbours. Na A. Lehrer & E. Kittay (Ndị nhz.). *Frames, fields, and contrasts. New essays in semantics and lexical organization* (ihu 75–102). Hillsdale, New Jersey: Lawrence Erlbaum Associates.

Fu, X. (2012). Metonymy in mind, language, and communication. Nchọcha PhD, Victoria University of Wellington.

Ghazala, H. (1995). *Translation as problems and solutions: A course book for university students and trainee translators.* Malta: ELG Publication.

Johnson, M. (1987). *The body in the mind. The bodily basis of meaning, reason and imagination.* Chicago: Chicago University Press.

Kovacs, E. (2011). Polysemy in traditional vs. cognitive linguistics. *Eger journal of English Studies, XI,* 3-19.

Lakoff, G., & Johnson, M. (1980). *Metaphors we live by*. Chicago: Chicago University Press.

Lemmens, M. (2015). Cognitive semantics. Na N. Riemer (Ọhz.). *Routledge handbook of semantics* (ihu 90–105). London: Routledge.

Lobner, S. (2002). *Understanding semantics.* Oxford: Oxford University Press.

Mbah, B. M., & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mbah, B. M., Mbah, E. E., Ikeokwu, E. S., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuona, C. N., Akaeze, C. M., Onu, J. O., Eze, E. A., Prezi, G. O., & Odii, B. C. (2013). *Igbo adị Igbo-English English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Ndimele, O. M. (1997). *Semantics and the frontiers of communication*. Port Harcourt: University of Port Harcourt Press.

Ndimele, O. M. (2005). *Semantics and the frontiers of communication* (Nhz. 2). Port Harcourt: University of Port Harcourt Press Limited.

Palmer, F. R. (1976). *Semantics: A new outline*. Cambridge: Cambridge University Press.

Saeed, J. I. (2016). *Semantics* (Nhz. 4). West Sussex, UK: John Wiley & Sons.

Ullmann, S. (1957). *The principles of semantics*. Oxford: Blackwell.